IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Nwa eze sitere n'Osimiri

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Onye-ndu bụ Joseph anwụọla! Ndị Ijipt niile soro ezinụlọ ya nwee mwute. Chineke ejiriwo Josef onye Hibru

zọpụta obodo ahụ n'ụnwụ. Ọ bụ onye ndu maara ihe na nke a hụrụ n'anya. Ugbua ọ laala.



Ihe kariri nari afọ atọ agafeela. Ndị nke Josef, bụ́ ndị Hibru, aghọwo agbụrụ dị ike n'Ijipt. Fero ọhụrụ ahụ tụrụ egwu na ndị Hibru nwere ike imegide ya, ya mere, o wee mee ha niile ndị ohu.



Fero mesoro ndi Hibru ihe ọjọọ dị ukwu. Ọ manyere ha iwu obodo ukwu dị iche iche. Ma n'agbanyeghị otú o si eme ka ha rụsie ọrụ ike, ndị ohu Hibru ahụ nọgidere na-amụba n'ọnụ ọgụgụ.



Otu ụbọchị, iwu dị egwu sitere n’aka Fero bịa.
“A ga-atụbakwa ụmụ nwoke Hibru niile a mụrụ ọhụrụ n'osimiri Naịl.”  Fero obi ọjọọ ahụ kpebisiri ike ibelata ọnụọgụgụ ndị Hibru.  Ọ ga-egbu ọbụladị ụmụ amụrụ ọhụrụ!



“Gịnị ka anyị nwere ike ime?” Ka ọ ga-abụrịrị na otu ezinụlọ nọ na-eche. Ha kpebiri itinye nwa ha n’Osimiri Naịl. Ma ọ ga-anọ n'ime nkata na-adịghị mma nke mmiri na-adịghị.



Ya na ibu ahụ dị oké ọnụ ahịa, obere nkata ụgbọ mmiri ahụ na-ese n'etiti ahịhịa n’elu mmiri.  Kedu ihe ga-eme obere nwa
ahụ?



Site n'ebe dị anya, nwanne nwanyị nwa ahụ lere nkata ahụ dị oke mma ka o ji nwayọ na-eseghari n'etiti ahịhịa n’elu mmiri
ahụ.



Na mberede, ada Fero na ndị odibo ya bịara n’osimiri ahụ ka ha sachaa ahụ́. O nweghị ụzọ e si ezo nkata ahụ.

Ikekwe ha gaara agafe n'ahụghị ya.



“Ewo! Nkata. N'ebe ahụ, n’elu mmiri. Onye ma ihe dị n'ime ya.” Ada Fero wee si nwa-odibo ya ka o bute nkata ahụ. Mgbe o meghere ya - nwa ahụ malitere ibe ákwá. “Ọ bụ nwa Hibru,” Ka ada eze ahụ tiri na mkpu.



"Obere ihe nke a.  Ị mara mma nke ukwuu."  Ma eleghị anya, ada Fero gwara nwa ọhụrụ ahụ okwu otú ọtụtụ ndị toro eto si eme.  O nwediri ike ịsị "Ootchie-kootchie Koo-ums" – n'asụsụ Ijipt, n'ezie.



Ọ ga-abụrịrị na Chineke nyere nwanne nwa ahụ amamihe pụrụ iche.  Ọ gbakwuru ada Fero. “M ga-achọtara gị nwanyị Hibru ka o lekọtara gị nwa a?”  “Gaa n'ihu,” bụ azịza ya.  Kedu onye i chere nwa agbọghọ ahụ gbara ọsọ ka ọ kpọta?



“Nne! Bịa ngwa ngwa! Oo, mee ọsịsọ!” Ikekwe nwa agbọghọ ahụ enweghị oge ịkọwa ihe mere.
Ha abụọ gbakọrọ ọsọ gbadata n'ụzọ ahụ.



N’ebe akụkụ osimiri ahụ, ada Fero kupụtara nwa ahụ n’aka ya. “Lekọtara m ya anya, m ga-akwụ gị ụgwọ, kpọọ ya Mosis.” Mosis nwere ike ịbụ onye Ijipt maka na ọ bụ nwa sitere na mmiri.



Ya mere, e mere ka Mosis laghachikwute nne na nna ya nakwa n’ụlọ ya. Ha kụziiri ya ịhụ Chineke na ndị Hibru n’anya. N’oge na-adịghị anya, ya na ada Fero ga-ebikọ n’obí eze. Chineke, bụ́ onye zọpụtara ndụ ya, nwere ọdịnihu dị ukwuu Ọ kwadoro maka nwa ọhụrụ ahụ bụ́ Mozis.





Nwa eze sitere n'Osimiri

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọpụpụ Isi nke abụọ

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.